Trinity Health

# Nchịkọta Nziọkwa Ihe Nzuzo nke Otu Esi Eji Ozi Ahuike

(Summary of Notice of Privacy Practices)

Ga-amalite N'ọrụ: Eprel 13, 2003
E degharịrịrị: N'ọnwa Maachị 5, 2026

Anyị ghọtara na ozi ahụike gị bụ nke nzuzo, anyị na-ekwe nkwa ichekwa ihe nzuzo gị. E mere ka nziọkwa a dịọ nkenke ka o kwe nghọta ọsịsọ. Nziọkwa Ihe Nzuzo nke Otu Esi Eji Ozi Ahuike n'ozuzu dịrị gị na weebụsaịtị anyị nakwa ebe nlekọta anyị.

Nziọkwa na-akọwa etu enwere ike isi wee kesaa ma jiri ozi ahụike banyere gị nakwa etu ị nwere ike ị si wee nweta ozi a. Biko jịrị nlezianya nyochaa ya.

Ihe ndekọ Part 2 maka ndị ịṅụ ọgwụ ọjọọ riri ahụ, nziọkwa a na-akọwa:

- Otu e nwere ike esi eji ma kekọrịta akụkụ nke 2 nke ozi ahụike banyere gị
- Ihe ndị ruuru gị n'ihe metụtara ozi ahụike gị
- Otu aga esi wee tinye akwụkwọ mkpesa banyere mmebi iwu nke ihe nzuzo maọbụ nchekwa ozi ahụike gị, maọbụ ikike gị gbasara ozi gị

Ị nwere ikike inweta kọpị nziọkwa (n'akwụkwọ maọbụ site n'ịntanetị) ma kwụrịtara onye na-ahụ maka ichekwa ozi nkeonwe nke onye arịa anyị na 833-718-1043 maọbụ privacyofficer@trinity-health.org ma ọbụrụ na ị nwere ajụjụ ọbụla.

### Ikike Gị

Ị nwere ikike:

- Ịnweta kọpị ihe ndekọ ahụike gị n'akwụkwọ maọbụ site n'ịntanetị
- Mee mgbanwe n'akwụkwọ gị maọbụ ihe ndekọ ahụike n'ịntanetị
- Rịọ maka nkwụrịtaokwu nzuzo
- Gwa anyị ka anyị belata ozi anyị na-ekesa
- Nweta ihe ndepụta nke ndị anyị kesara ozi gị-Inweta Ihe Ndekọ nke Nkesa
- Nweta kọpị nziọkwa ihe nzuzo a
- Họrọ onye ga-eme ihe n'aha gị
- Tinye akwụkwọ mkpesa ma ọbụrụ na ị kwenyere na emebiri ikikere idebe ihe nzuzo gị

### Ihe Nhọrọ Gị gasị

Ị nwere ụfodụ nhọrọ nke etu anyị si eji ma kesaa ozi banyere gị dịka mgbe anyị:

- Na-agwa ndị enyi na ezinụlọ banyere gị
- Nye enyemaka maka ndị ọdachị dakwasịrị
- Tinye gị n'akwụkwọ ndepụta ndị ọrịa nọ n'ụlọọgwụ
- Nye nlekọta maka ahụike uche
- Mee mgbasa ozi maka ọrụ enyemaka anyị ma ree ozi gị
- Ịnakọta ego

**Kedu otu anyị si ejikarị maọbụ kesaa ozi ahụike gị?**

Anyị na-ejikarị maọbụ kesaa ozi ahụike gị n'ụzọ ndị a na-esonụ.

**Nye gị ọgwụgwọ**

Anyị nwere ike iji ozi ahụike gị ma kesara ya ndị ọzọ na-agwọ gị.

Nziọkwa a na ekpuchi ebe ọgwụgwọ niile gụnyere ụlọọgwụ, ebe nlekọta nke nta na ọgwụgwọ maka ndị ịṅụ ọgwụ ọjọọ riri ahụ, nke ana-akpọ Part 2 Program.

Anyị na-enye ọgwụgwọ ahụike ma nwee ọgwụgwọ maka ndị ịṅụ ọgwụ ọjọọ riri ahụ nke iwu gọọmentị Etiti ana-akpọ 42 CFR Part 2 (a "Part 2" Program)na-echekwa. Ọbụrụ na inweta ụdị nlekọta a, e nwere ike ịgwa gị ka ị bịanye aka na akwụkwọ nkwenye nke nlekọta ahụike iji nata ọgwụgwọ maka nke Part 2 Program. Ị kwesiri ịbịanye aka n'akwụkwọ nkwenye maka ọgwụgwọ otu ugboro iji kwenye ka ejiri ozi ahụike gị maka ọgwụgwọ, ịkwụ ụgwọ na otu ụlọọgwụ si arụ ọrụ na achọghị ka ịbịanye aka ọzọ n'ọdịnịhụ dịka iwu HIPAA siri kwuo.

**Ijikwaa ụlọọgwụ anyị**

Anyị nwere ike iji ozi ahụike gị ejikwa ụlọọgwụ anyị, meziwanye nlekọta gị, ma kpọtụrụ gị mgbe ọ dị mkpa.

Anyị na-eji teknuzu akwado nlekọta na ọgwụgwọ nke nwere ike iji Ọgụgụ Isi Arụrụ Arụ (AI). Teknuzu ọgụgụ isi arụrụ arụ na-eji ozi ahụike azụ ma mee ka ọrụ AI kawanye mma. Ndị anyị na ha na-eji teknuzu arụkọ ọrụ, gụnyere ndị nwere teknuzu AI, ga-edeberiri ozi ahụike na nzuzo dịka iwu siri kwuo.

**Ịṅa ego maka ọrụ enyemaka gị:** Anyị nwere ike iji ma kesaa ozi ahụike gị iji nara ego ma nweta akwụmụgwọ n'aka ụlọ ọrụ ịnshọọransị maọbụ ụlọ ọrụ ndị ọzọ.

**Kedu ụzọ ọzọ anyị nwere ike isi wee jiri maọbụ kesaa ozi ahụike gị?**

E nwere ike ikwe ka anyị maọbụ chọọ ka anyị kesaa ozi ahụike gị n'ụzọ ndị ọzọ - n'ụzọ ndị na-enye aka maka ọdịmma ohanaze, dịka ahụike ọha na ime nchọpụtya ahụike. Anyị ga-emezurịrị ụfọdụ ọnọdụ n'iwu tupu anyị ekesa ozi ahụike gị maka iji ya eme ihe ndị a.

**Inyere aka n'ichekwa ahụike:** Anyị nwere ike ikesa ozi ahụike banyere gị maka ọnọdụ ụfodụ dịka:

- Ịgbochị ọrịa
- Inye aka na iwepụ ọgwụ n'ahịa maka ojiji
- Ikpesa mmetụta ọjọọ si na ọgwụ
- Ikpesa mmeru ahụ ana-enyo enyo, leghara anya, maọbụ ime ihe ike n'ụlọ
- Ịgbochị maọbụ ibelata iyi egwu dị njọ nye ahụike maọbụ nchekwa nke ọbụla

**Mee nchọpụta:** Anyị nwere ike iji maọbụ kesa ozi gị maka iji ya eme nchọpụta ahụike.

**Soro Iwu:** Anyị ga-ekesa ozi banyere gị ma ọbụru na gọọmentị steetị maọbụ nke etiti chọrọ ya, gụnyere Ngalaba na-ahụ maka Ahụike na Ijere Mmadụ Ozi maọbụru na ọ chọrọ ịhụ na anyị na-erube iri na iwu gọọmentị etiti maka idebe ihe nzuzo.

**Zaghachị arịrịọ maka inye akụkụ ahụ na uru ahụ:** Anyị nwere ike ikesara ụlọ ọrụ na-ahụ maka nnakọta akụkụ ahụ ozi ahụike banyere gị.

**Soro ndị na-achọpụta ihe kpatara ọnwụ maọbụ ndị na-ahazi ili mmadụ rụkọọ ọrụ:** Anyị nwere ike ikesara ndị na-eme nchọpụta ọnwụ, ndị na-achọpụta ihe kpatara ọnwụ maọbụ ndị na-ahazi ili mmadụ ozi ahụike mgbe mmadụ nwụrụ.

**Arịrịọ maka ịkwụ ndị ọrụ, ndị ọrụ mmanye iwu ụgwọ, nakwa arịrịọ ndị gọọmentị ndị ọzọ:** Anyị nwere ike iji maọbụ kesaa ozi ahụike banyere gị:

- Maka ịna ego maka meruru ahụ onye ọrụ
- Maka inye ya ndị ọrụ mmanye iwu maọbụ onye uwe ojii
- N'ụlọọrụ gọọmentị na-ahụ maka ahụike maka ọrụ iwu kwadoro ka ha rụọ
- Maka ọrụ gọọmentị pụrụ iche dịka ndị agha, nchekwa mba, na ọrụ nchebe onye isi ala

**Nye nzaghachị okwu ikpe na ihe metụtara iwu**

- Anyị nyere ike ikesa ozi ahụike banyere gị n'inye nzaghachi ụlọikpe maọbụ iwu sitere n'ụlọọrụ gọọmentị maọbụ n'inye nzaghachị akwụkwọ iwu.
- Ọ bụru na anyị nwere ihe ndekọ nke onye ọrịa nke ịṅụ ọgwụ ọjọọ riri ahụ banyere gị, nke iwu 42 CFR Part 2 chekwara, anyị agaghị eji maọbụ kesaa ozi dị na ihe ndekọ ahụ n'ikpe na-agbasaghị mpụ, nke gbasara mpụ, nke na-abụghị maka ikpe, maọbụ nke usoro iwu maọbụ ịnụ ikpe megide gị na-anataghị  (1) ikike gị maọbụ (2) ikikere ụlọikpe na akwụkwọ iwu.

**Oke n'Ọru Dịri anyị**

- Iwu chọrọ ka anyị debe ozi ahụike gị echedoro na nzuzo ma na nchekwa
- Anyị ga-eme ka ị mara ma ọbụru na mmebi iwu mere nke nwere ihe imetụta ihe nzuzo ahụ maọbụ nchekwa ozi gị
- Anyị ga-esorịrị oke na ọrụ nakwa iwu nke etu esi eji ozi ahụike nke akọwapụtara na nziọkwa a ma nye gị kọpị ya
- Anyị agaghị eji maọbụ kesaa ozi gị karịa ka akọwapụtara na nziọkwa a ọgwụla ma ị gwara anyị na anyị nwete ike ime ya n'odide. Ọ bụrụ na ị gwa anyị na anyị nwere ike ime ya, ị nwere ike igbanwe obi gị n;oge ọbụla. Mee ka anyị mara n'odide ma ọbụrụ na ị gbanwe obi gị

**Mgbanwe na Iwu nke Nziọkwa a**

Anyị nwere ike igbanwe iwu nziọkwa a, mgbanwe ahụ ga-emetụta ozi niile anyị nwere banyere gị. nziọkwa ọhụru ahụ ga-adị ma ọbụru na achọọ ya, n'ebe nlekọta anyị, nakwa na weebụsaịti anyị.

**Iwu Gọọmentị Etiti na nke Steetị Siri Ike**: Ọbụru na iwu idebe ihe nzuzo ka nke HIPAA wee sie ike, anyị ga-eso ya.

**Usoro Mgbanwerịta Ozi Ahụike ("HIE"):** ma ọbụru na ọ dị, anyị ga-ekesa ozi ahụike gị site na HIE ka ekesara ya na ndị ọzo na-eweta nlekọta ahụike. Ozi ahụike gị nwere ike igunye ozi ihe nzuzo. HIE ga-enyefe ma chekwaa ozi ahụike gị. HIE ga-echekwarịrị ozi ahụike gị. Iwu steetị nwere ike ikwe ka ị ghara isonye na HIE. Maka ozi ndị ọzọ, biko kpọtụrụ onye ọrụ anyị na-ahụ maka ịchekwa ihe nzuzo nke onye ọrịa na 833-718-1043 maọbụ sitere anyị ozi-e na privacyofficer@trinity-health.org.

**Ikesa na Eji Ozi Ahụike Gị:** Iji nye aka na ime ka nlekọta gị kawanye mma, anyị nwere ike ikesara ndị ọzọ ozi ahụike gị. Trinity Health bụ otu nlekọta ahụike mba nke ndị Katọliki, nke gụnyere ụlọọgwụ ndị ọzọ, ebe ana-elekọta ndị agadị, nakwa ndị na-eweta nlekọta ahụike. Anyị na-ekesa ozi ahụike gị iji hazie nlekọta gị yana ime nlekọta ahụike na ihe ndị metụtara ọrụ nhazi nke Trinity Health.

- Ndị Ọrụ Ahụike: Anyị nọ na Nhazi Nrụkọrịta Ọrụ maka Nkekọrịta Ozi Ahụike ("OHCA") yana ndị ọrụ ahụike. Nke a pụtara na anyị na ndị ọrụ ahụike na ekekọrịta ozi ahụike maka nhazi nlekọta. Nke a pụtakwara na ndị ọrụ ahụike kwenyere iso iwu dị na Nziọkwa a
- Ndị Nrụkọ Ọrụ Anyị: Anyị nwere ike ikesara ndị ụlọọrụ ọzọ ozi ahụike anyị dịka ịrụ ọrụ anyị

**Mee mkpesa:** ma ọbụrụ na ị kwenyere na emebiela iwu idebe ihe nzuzo gị, ị nwere ike enyefe onye ọrụ anyị na-ahụ maka ịchekwa ihe nzuzo nke ndị ọrịa akwụkwọ mkpesa gị maọbụ nye ya Odeakwụkwọ nke Ngalaba Ahụike na Ijere Mmadụ Ozi. E nwere ike izitere anyị akwụkwọ mkpesa na privacyofficer@trinity-health.org, maọbụ site n'ikpọ 833-718-1043, maọbụ n'odide nye onye ọrụ anyị na-ahụ maka ịchekwa ihe nzuzo onye ọrịa na: 20555 Victor Parkway, Livonia, MI 48152.

*Agaghị ata gị ahụhụ maka itinye akwụkwọ mkpesa.*